# NAỊJIRỊA | NIGERIA

## USCIRF– RECOMMENDED FOR COUNTRIES OF PARTICULAR CONCERN (CPC)

U.S. Commission maka International Religious Freedom (USCIRF) bụ kọmishọn nnwere onwe, nke nkwekọrịta gọọmentị etiti nke U.S. na enyocha ikikere gburugburu ụwa maka nnwere onwe nke okpukperechi ma ọ bụ okwukwe n'ime mba ofesi. Nke 1998 International Religious Freedom Act (IRFA), USCIRF mepụtara na eji ọkọlọtọ mba ofesi iji nyochaa ngabiga nke nnwere onwe okpukperechi ma ọ bụ okwukwe n'ime mba ofesi ma mebe nkwadobe iwu maka onye isi ala, ọdee akwụkwọ nke steeti, yana Nzụkọ Ọmebe Iwu. USCIRF bụ ngalaba nnwere onwe kepụrụ iche ma dị iche n'etiti Ngalaba Steeti U.S. Mkpesa Afọ 2020 na egosipụta njedebe nke ọrụ afọ nke Ndị Kọmishọna yana ndị ọrụ ọkachamara iji dekọọ mmekpa ahụ ozugbo ma mebe nkwadobe iwu nnwere onwe maka gọọmentị nke U.S. Mkpesa Afọ 2020 na ekpuchi oge bidoro na Jenụwarị 2019 ruo Disemba 2019, agbanyeghị n'oge ụfọdụ a na akpọtụrụ ihe mmemme ndị pụrụ iche mere tupu ma ọ bụ ka oge ahụ gachara. Maka ozi ndị ọzọ gbasara USCIRF, lelee weebụsaịtị ahụ ebe a, ma ọ bụ kpọtụrụ USCIRF ozugbo na 202-523-3240.

## NCHỌPỤTA NDỊ DỊ MKPA

Ọnọdụ nnwere onwe okpukperechi na Naịjịrịa adịghị mma na 2019, enwere ọgbaghara ndị steeti- yana ọhaneze kpara. Gọọmentị etiti gara n'ihu kpọchie onye isi nke ndị otu obere Shi'a, Islamic Movement na Nigeria (IMN), ma jiri ike chusuo ndị otu ya n'oge ọgbakọ na ngagharị iwe nke okpukperechi. Na Julaị, gọọmentị machiri ndị otu ahụ, na ebo ebubo na ha bụ ndị ọgbaghara ma bụrụ ndị na akpasu ọhaneze iwe. Ndị otu IMN gara n'ihu na aga ngagharị iwe na nnupu isi nke mmachi ahụ, na ekwupute na abụghị ndị otu ọgbaghara ma na emebe ikikere nnwere onwe nke okpukperechi, ọgbakọ, na ekwumekwu. IMN bụ ndị ọrụ Shi'a kachasị n'ala Naịjịrịa, nwere ndị otu ekpebiri ka ọnụọgụgụ nde atọ. Kemgbe mgbuchapụ ndị mmadụ nke ndị agha Naịjịrịa mere na 2015 nke karịrị ndị otu 340 nke IMN, ọnwebeghị onye ọrụ ndị agha ejidegoro maka nke ahụ.

N'ime afọ ahụ niile, Otu Ndị Ọlụọ Ọlaa Mba Ofesi nke U.S.-zubere Boko Haram yana Islamic State nke Iraq na Syria (ISIS)-West Africa gara n'ihu na enyekwa nsogbu n'akụkụ ugwu na ọwụwa anyanwụ nke Naịjịrịa yana mpaghara Lake Chad. N'oge izu nke Ekeresimesi, ISIS-West Africa buputere vidio na egosi ogbugbu ọjọọ nke ndị ejidere ejide 11 ma kwuo na ọ na egbu Ndị Otu Kraịst na mmegwara maka ọnwụ nke onye isi ISIS bụ Abu Bakr Al Baghdadi. Ndị otu ọlụọ ọlaa ndị ahụ chedoro anya na ndị otu nche karịa n'afọ ọ bụla gara aga. Agbanyeghị na ndị agha na ndị nkịtị nwenwuru ike igbochi ụfọdụ mbuso agha, Boko Haram nwenwuru ike ibuso agha n'ebe ọdụ ndị agha dị yana n'ụgbọ ala ha, ụlọ, ụgbọ, yana ụlọ alakụba; tọrọ ndị mmadụ nkịtị; ma gbuo ndị ha eji eji, gụnyere ọtụtụ ndị ọrụ enyemaka ahụike. Kemgbe 2009, Boko Haram achụpula ihe karịrị ọnụọgụ ndị mmadụ nde abụọ ma gbuo puku kwụrụ puku.

Nsogbu nche nke dị n'etiti obere obodo yana ọgbaghara ndị ọlụọ ọlaa gbasara agbasa, ntoro mmadụ dị ebe niile, yana omekome dị ebe niile metụtara nnwere onwe okpukperechi n'ụzọ na adịghị mma. Enwere ọtụtụ mkpesa nke mbuso agha n'elu ndị isi okpukperechi na omenala yana n'ụlọ ekpere. Na mbuwanye nke ọtụtụ ntọrọ mmadụ na 2019, ndị mgbasa ozi kpesara ọtụtụ ihe mmereme nke ntọrọ mmadụ maka ego yana ogbugbu nke ndị ụkọchukwu Protestant na Katọliki, gụnyere na steeti Enugu, Ondo, na Kaduna. Enwere obere mkpesa nke mbuso agha ebusoro n'okpukperechi n'ọgbaghara dị n'etiti obere obodo n'ime mpaghara Akụkụ Etiti Obodo ma tụlee yana 2018; agbanyeghị agara n'ihu na enwe mkpesa nke mbuso agha n'etiti obere obodo ma ọ bụ agbụrụ ebusoro ndị obere obodo, dị ka na Kaduna n'etiti ndị Otu Kraịstị Adara yana Ndị Otu Alakụba Fulani, na Zamfara, yana na Taraba. Gọọmentị Naịjịrịa dara na imelite mkpezi ziri ezi yana nche maka ndị amaala ya, ha enweghịkwa mmeri na ikpezi nnukwu mkpa maka mkpughepu na nkwupụta gbasatara nsogbu ochie.

## NKWADOBE NKE GỌỌMENTỊ U.S.

- Zube Naịjịrịa ka "obodo nwere ihe a ga-echebanyere echiche," ma ọ bụ CPC, maka isonye ma ọ bụ ịnagide, ngabiga nke nnwere onwe okpukperechi ahaziri ahazi, na aga n'ihu, dị oke ọjọọ, dị ka ndị International Religious Freedom Act (IRFA) siri kọwaa, ma gaa n'ihu na ezube Boko Haram ka "ihe nke oke echiche" maka isonye na ngabiga nke nnwere onwe okpukperechi ahaziri ahazi, na aga n'ihu, dị oke ọjọọ, dị ka IRFA siri kọwaa;
- Banye na nkwekọrịta njikọta, dị ka enyere ikikere n'okpuru Ngalaba 405(c) nke IRFA, ma nye nkwado ego na ọrụaka ejikọtara aka ọnụ, iji kenye gọọmentị Naịjịrịa ọrụ iji mee ihe ndị dị ọkpụrụkpụ iji kpezie ngabiga nke nnwere onwe okpukperechi, gụnyere mana na ejedebeghị na:
    - Bulite ọzụzụ maka ndị ọrụ, ndị agha, yana ndị uwe ojii na igbochi okwu ịkpọ asị dabere na nhọrọ okpukperechi, ịzaghachi ọgbaghara mpaghara, ịkpesa ọgbaghara chere ogbe okpukperechi, ma kpughepu ndị ọrụ nche eboro ebubo nke iji nnukwu ike yana mmetọ ikikere dịịrị ndị mmadụ ndị ọzọ;

- Welite mmemme na nyocha mkpezi nsogbu iji belata ọgbaghara na ịkpa oke dabere na nhọrọ okpukperechi;
- Welite ego maka ndozi ngalaba nche yana usoro nke nhazi iwu, ma gụnye atụmatụ ewumewu okpukperechi n'ime nche yana mmemme mkpezi ziri ezi; na
- Mepụta otu ndị ikpe nnwere onwe nke njụajụjụ (COI) iji nyochaa mbọ ndị nche nke Naịjịrịa na anaghi enwe isi iji kpuchido otu okpukperechi ndị nwere ike ịnwe mmekpa ahụ, gụnyere Ndị Otu Kraịst yana Ndị Alakụba, n'akụkụ ugwu yana etiti nke obodo ahụ yanakwa ogbugbu nke ndị otu IMN na 2018 na 2019, ma kpughepuru ọhaneze nchọpụta ọ bụla dị mkpa gụnyere ihe akaebe ewerele n'ime mkpesa nke ndị uwe ojii; ma

- Kesaa ego maka mmemme ndị na ejikọta ndị otu nkịtị, ndị nche, yana ndị ọrụ na mbọ njikọta iji kpuchido ebe ekpere yana ebe nsọ ndị ọzọ.

### NGWA NA MMEMME NDỊ USCIRF DỊ MKPA

- **Mkpesa Pụrụ Iche:** Etiti Naịjịrịa: Imeri Okwu Asị yana Nkewa Okpukperechi Juru Ebe Niile
- **Mkpesa Pụrụ Iche:** Iwu Shari'ah Law N'akụkụ Ugwu nke Naịjịrịa
- **Nnabata Religious Prisoners of Conscience Project:** Leah Sharibu

## Okirikiri

Naịjịrịa bụ obodo ndị okpukperechi nke ukwuu, ebe okpukperechi na arụ nnukwu ọrụ na ndọrọndọrọ, ọchịchị, nche, na mkpezi ziri ezi. Ndị CIA World Factbook kpebiri ọnụọgụgụ ndị mmadụ ịkarị nde 203, ebe pasentị 53.5 na apụta ka Ndị Alakụba, pasentị 45.9 ka Ndị Otu Kraịstị, yana pasentị 0.6 ka ndị na nwere okwukwe ndị ọzọ. Otu ndị ọzọ gụnyere ndị ekweghị na Chineke, Baha'is, Jews, Hindus, na Buddhists. Ahụkwara ọdịnala amaala yana omume njikọta okpukperechi dị iche iche. Akwụkwọ iwu 1999 na ekpuchido nnwere onwe nke okpukperechi ma ọ bụ okwukwe, na amachi ịkpa oke, ma ọ naghị amanye okpukperechi nke steeti. Steeti akụkụ ugwu iri na abụọ Ndị Alakụba na eji iwu omekome na ezinụlọ nke Islamic Shari'ah n'akụkụ iwu obodo na ọdịbendị. Amachiri nkwụtọ na Koodu Ikpe Shari'ah, yanakwa Iwu Omekome Naịjịrịa gụnyekwara ntaramahụhụ ruru afọ abụọ na mkpọrọ maka ịkparị okpukperechi mmadụ. Obere mkpesa nke USCIRF gbasara iwu omekome Shari'ah dị n'akụkụ ugwu nke Naịjịrịa kparịtara nhụta ọhaneze dị iche iche maka ewumewu Shari'ah yana iwu *hisbah,* wee hụ na ịpịa ụtarị ka bụ ụzọ ntaramahụhụ dị ebe niile. Mkpesa a yana ndị ọzọ gosipụtara akpamoke mmekọrịta yana akpamoke nwere mgbọrọgwụ chegidere ndị obere okpukperechi dị ka Shi'a yana akpọmasị agbụrụ chere ndị ọgọọ mmụọ na ndị humanism.

Nsogbu n'etiti obodo na aga n'ihu emetụta ọtụtụ steeti, karịchara n'ogige ime obodo, ha na amalitekarị na ọgụ maka ala yana mmiri, mgbatị nke ugbo, otito n'ọnụọgụgụ ndị mmadụ, yana nkesa nke obere ngwa ọgụ, okpukperechi na iwe mgbe ochie, yana iwu ọnọdụ amaala. Ebe njirimara agbụrụ na okpukperechi gwakọtara nnukwu, enwere ike ikpuchi nsogbu dị n'etiti otu agbụrụ abụọ ka ihe dị n'etiti otu okpukperechi ma ọ bụ ọ nwere ike ibute mwegwara chegidere ndị mmadụ n'ihi okpukperechi ha.

Nhọpụta obodo 2019 enweghị mmereme nke nsogbu n'etiti okpukperechi. Agbanyeghị, ụfọdụ mgbasa ozi achọghị ịnweta obi ndị ntuli aka ndị okpukperechi ndị ọzọ, ma ntuli aka nwere ọtụtụ ozi ndughie, mkpalite nke ọgbaghara, nzuta ntuli aka, yana omume mpụ ndị ọzọ.

### Nzọtu Ahaziri Ahazi maka Ndọrọndọrọ Islam

Na 2019, gọọmentị etiti Naịjịrịa gara n'ihu kpọchie onye isi nke IMN, Sheikh Ibrahim El Zakzaky, agbanyeghị ntimiwu ụlọ ikpe na 2016 kwuru ka ahapụ ya. Na Julaị, gọọmentị kwuputere mmachi nke IMN, mana otu ahụ gara n'ihu na ahazi mmemme okpukperechi yana ngagharị iwe n'akụkụ obodo ahụ na arịọ maka nhapụ Zakzaky. Dị ka nsonaazụ nke ọgụ dara n'etiti ndị uwe ojii na Julaị, IMN na media kpesara na egburu ihe karịrị ndị mmadụ itoolu. N'oge ngaghari okpukperechi Ashura na Septemba, IMN kwuru na ndị uwe ojii Naịjịrịa gburu ọtụtụ ndị otu ahụ. Na Ogost, ndị gọọmentị hapụrụ Zakzaky na nwunye ya ịga India maka nlekọta ahụike; tụmadị, ozugbo ha ruru ebe ahụ, Zakzaky jụrụ ọgwụgwọ. N'Ọktọba, ekpesara na ahapuru opekata mpe ndị otu IMN itoolu maka ebubo gụnyere ịbụ ndị otu nke IMN yana ọgbakọ gabigara iwu; ọnụọgụ amaghị nke ndị ọzọ ka nọ n'ụlọ mkpọrọ. Na mbụ enwere mkpalite mmụọ n'ọgbaghara nke Iran na 1979 yana idowe foto nke Ayatollah Ruhollah Khomeni yana Ayatollah Ali Khamemei na weebụsaịtị ya, otu ahụ abụrụla ndị gọọmentị Naịjịrịa na agbado anya maka ọgbaghara, ndị na eji nnukwu ike iji zọtuo ndị otu na mmemme IMN.

### Boko Haram na ISIS-West Africa

Na 2019, Boko Haram na otu ahụ jikọtara-na-ISIS (ISIS-West Africa) gara n'ihu na ebuso agha na achọ ịmepụta steeti Islam na asọpụrụ nghọta Salafi-jihadi ha. A ga-ejide ha maka mbuso agha n'ụlọ ekpere, ndị nkịtị, yana ọdụ ndị agha. Otu ahụ ọzọkwa chụrụ ndị otu nke Ekklesiyar Yan'uwa nke Naịjịrịa (EYN, Ụlọ Ụka nke

Ụmụ Nwanne na Naịjirịa), tọrọ ndị otu EYN ma mebie ụlọ ụka EYN na Machị. Ndị mgbasa ozi kpesara mbuso agha nke ndị otu Boko Haram a na enyo enyo n'ụlọ alakụba dị na Maiduguri, gụnyere na Febuwarị na Juun. Na Julaị, ndị agha Boko Haram busoro agha n'akwamozo na Steeti Borno wee gbuo opekata mpe ndị mmadụ 65. Eboro ndị agha nke Naịjirịa ebubo maka mmetọ ikikere dịịrị mmadụ n'ebe ndị mmadụ achụpụrụ n'ụlọ nọ yana ndị otu ochie ma ọ bụ ndị otu Boko Haram a na enyo enyo—gụnyere puku kwụrụ puku umuaka. N'otu oge ahụ, ndị agha bidoro mbọ iji gbochie ihe aka ike ma melite mmekọrịta dị n'ogbe, dị ka ịme ọmụmụ njikọta okpukperechi iji kwado akụkọ udo yana ịga ekpere iji kwadogharịa ndị ụka na atụ ụjọ mbuso agha.

### Mbuso Aha na Ụlọ Ekpere

Ndị ọmee ọhaneze gara n'ihu na eme mmemme n'ogbe iji melite mkpuchido nke ụlọ ekpere yana ebe nsọ ndị ọzọ, agbanyeghị ha ka bụ ebe na enwechaghị mkpuchido. Na mgbakwunye nke mbuso agha Boko Haram, na 2019 ndị otu na igwe mmadụ ji ngwa ọgụ busoro agha n'ụlọ ụka yana ụlọ alakụba n'obodo niile. Na Juun, ndị ikikere jidere mmadụ atọ a na enyo enyo maka inwa igba St. Augustine Catholic Church dị na Kaduna ọkụ. Na Septemba, ekpesara na otu nke ndị ntorobịa Ndị Otu Kraịstị busoro agha n'ụlọ alakụba dị na Steeti Delta n'iwe maka ọrụrụ ya. N'Ọktoba, eboro otu omempụ ebubo nke ibuso agha n'ụlọ alakụba yana ịmerụ ụfọdụ ndị otu ahụ. Na Steeti Anambra n'ime Meh, ndị mgbasa ozi kpesara na ndị otu nke Indigenuos Peoples of Biafra (IPOB)—otu na achọ nnwere onwe nke Biafra—chusoro ndị Otu Kraịst ise, gụnyere ụkọchukwu, maka ịka ụka na nnupu isi nke ntimiwu IPOS ịnọ n'ụlọ.

### IWU NDỊ U.S. DỊ MKPA

N'Ọgọst, Onye Nnọchite Anya U.S. W. Stuart Symington hapụrụ oche ya, na Ọktoba 4, ewebatara Mary Beth Leonard ka Onye Nnọchite Anya U.S. ọhụrụ na Repọbliki Gọọmentị Etiti nke Naịjirịa. N'ime afọ ahụ niile, United States kwadoro arụmarụ na Naịjirịa gbadoro anya na ịbelata nsogbu ma melite mkpezi ziri ezi na nche, gụnyere mmemme ndị U.S. Agency maka International Development (USAID) na akwado gbadoro anya na ijikwa nsogbu dị n'etiti ndị ọrụ ugbo na ndị na achị ehi. Ndị ọrụ U.S. ugboro ugboro jikọtara aka ọnụ n'etiti gọọmentị Naịjirịa yana ndị ọhaneze n'okwu nsogbu nnwere okpukperechi. Na Disemba 18, Ngalaba Steeti nke U.S. n'oge izizi dowere Naịjirịa n'ime Ndepụta Nlele Pụrụ Iche ya maka obodo ndị sonyegoro ma ọ bụ nagidere "nnukwu ngabiga nke nnwere onwe okpukperechi," ma ọzọ zube Boko Haram ka "ihe nke nnukwu echiche," ka ọ mere na 2018. Ezubere imirikiti enyemaka 2019 nke afọ nchịkwa ego United States maka nzaghachi ihe mberede yana nlekọta ahụike, yana obere ego maka udo na mbọ nche. N'Ọnwa Anọ, Ndị Otu nke Nzụkọ Ọmebe Iwu bubatara mkpezi (H.Res.375/S.Res.170) na anabata afọ ncheta nke ise maka ntọrọ nke ọnụọgụ narị kwụrụ narị ụmụ nwanyị n'ime Chibok n'aka Boko Haram wee na akpọ Naịjirịa ka ha welite mbọ iji kwụsị nsogbu ahụ ma nyere ndị emetụtara aka. N'Ọktọba, Ndị Otu nke Nzụkọ Ọmebe Iwu bubatara (H.Res.640) "na ekwutọ ogbugbu nke Ndị Otu Kraịst n'ụwa niile" wee rụtụ aka na nnukwu mbuso agha na Ndị Otu Kraịst na Naịjirịa na 2018 yana 2014.

### NGHỌTA NKE KỌMISHỌNA GARY L. BAUER NA JOHNNIE MOORE DỊ ICHE ICHE

Nkeji akwụkwọ a anaghị akọwapụtasị ike mbuso agha nke ahaziri ahazi, na aga ugbu a, dị oke ọjọọ megidere ndị otu nke Ndị Otu Kraịstị nọ n'akụkụ ugwu yana n'akụkụ etiti nke Naịjirịa, ma turie nkenke mgba nke gọọmentị Naịjirịa metụtara Islamic Movement nke Nigeria [IMN].

Ebe gọọmentị ndị Naịjirịa emefeela oke ọtụtụ oge, mgbe ụfọdụ na emegide ndị Shi'a aka ha dị ọcha, gọọmentị ziri ezi na nnyocha ya maka IMN, otu a na akpọ "Nigerian Hezbollah" oge ụfọdụ. Ụdịrị njirimara ahụ anaghị atụ n'anya ebe weebụsaịtị ndị otu ahụ gụnyere foto nke onye isi nke Ọgbaghara nke Iran na 1979 Ayatollah Ruhollah Khomeini yana osote ya yana Onye Ndu nke Iran ugbu a, Ayatollah Ali Khamemei — mkpalite mmụọ ha. Ọzọkwa, ngagharị ha gụnyere foto nke Khomeini yanakwa onye isi nke Hezbollah n'ime Lebanon, Hassan Nasrallah. Onye isi nke IMN, Sheikh Ibrahim El ZakZaky, bụ onye na ebuso Ndị Juu agha ama ama onye nke enwere ezigbo ndekọ maka mmekọrịta ya n'etiti Iran, gụnyere mbịambịa ndị dị pụrụ iche na Qom n'ime Islamic Republic ahụ, enweela ebubo ndị doro anya gbasara ya ịnweta ọzụzụ yana ego n'aka ndị ọchịchị Iran.

N'ikpeazụ, ọ bụ mkpebi anyị na Boko Haram, yana ndị amaala ahụ ha na akpalite mmụọ ha, zubere uche na ịchụpụ Onye Otu Kraịstị ọ bụla na Naịjirịa ọ nweghị ike ịchịkwa ma na emenye mmadụ ọ bụla na egbochi ha ụjọ, agbanyeghị okpukperechi ma ọ bụ agbụrụ ha.